# MKPAGBU ANYỊ NKE DỊ MFÉ

**2 Ndi Kọrint 4:17, 18; 5:1-20.**

**IHEỌ̀MỤ̀MỤ̀ 396**

**Nke Ndị etiti**

**AMAOKWU IBUN'ISI: "Ná nkpagbu nile ha Ya ka anākpagbu, ọ bụ kwa mọ-ozi nke iru-Ya zọpụtara ha" (Aisaia 63:9).**

## Na Nzọụkwụ Ya Niile

Gịnị bụ mkpagbu? Ọ bụ eziokwu na anaakpagbu gị mgbe ị na arịa ọrịa; ọ bụrụ na ụmụmmadụ na ekwuokwu ọjọọ banyere gị, ọ bụrụ kwa na elefuru gị anya, ọ bụrụ kwa na ụmụntakịrị ndị gị na ha na ejékọ ụlọakwụkwọ kpọrọ gị asì n'ihi na ị bụ nwa nke Chineke, nke a bụ kwa mkpagbu.

Aha a bụ onye nke Kraist, nke anaakpọ anyị, pụtara oyiri Kraist -- ibi ndụ dịka Jisọs si bie -- ma nke ahụ naeweta mkpagbu.

## Ihenlereanya Nke Dị Ná Ndụ Jisọs

Ma eleghịanya ọ bụrụ na anyị atụgharịa uche n'ihe banyere ndụ Jisọs dịka o metụtara iheọ̀mụ̀mụ̀ anyị taa, nke a gaenyere anyị aka iji ọñụ buru "mkpagbu ayi nke dị nfé," ọ bụ ezie na ụzọ dị n'iru Ya bụ ụzọ nke náeduba na ọnwụnwa na mkpagbu, ma n'ikpèazụ ọnwụ nke obe, Jisọs nọgidere n'ilekwasị Chineke anya bụ́ Onye nke Ọ naeme uche Ya, nke a nyere Ya ọñụ nke mere O ji nwe ntachịobi (Ndị Hibru 12:2).

Ọnwụnwa mbụ bịaara Jisọs ekwuru ihe banyere ya na Baịbụl bịara mgbe Mmụọ Chineke duru Ya gaa n'ọzara ka ekwensu wee nwáá Ya ọnwụnwa. Ebe ahụ ka O buru ọnụ iri ụbọchị anọ ehihie na abalị. Mgbe ike gwụrụ Ya, agụụ wee gụọ Ya, ekwensu bịara nwáá Ya ọnwụnwa.

Otú ahụ ka ọ dị anyị taa: ekwensu gaabịakwute mụ na gị mgbe anyị dara mba karịsịa, mgbe ike gwụsịrị anyị, na mgbe agụụ naagụ anyị. Ihe nlereanya nke anyị hụrụ ná ndụ Jisọs naegosi anyị otú anyị gaesi emeri onye ahụ naanwa anyị wee nwe mmeri. Okwu Chineke ka Jisọs jiri zaghachị ekwensu nime ọnwụnwa Ya niile, ekwensu wee pụọ. I hụwo na ọbụ ihe dị óké mkpà na anyị ganaamụ ihe ibu n'isi anyị. Mgbe onye mkpagbu gaabịa, mgbe ụfọdụ dịka mmiriiyi, ime ka anyị nupuru Chineke isi; Mmụọ nke Jehova ganaebuli ọ̀kọ̀lọ̀tọ̀ ahụ bụ Okwu Chineke.

Jisọs amatawo na ọnwụnwa niile ndịa aghaghị ịdapụta. Ha na abịara onye ọ bụla n'otù n'otù, "ma Chineke kwesịrị ntụkwasịobi, Onye nāgaghekwe ka anwa unu kari nke unu puru inagide; kama n'oge ọnwunwa ahu Ọ gēme kwa uzọ ngbapu, ka unu we nwe ike inagide ya" (I Ndi Kọrint 10:13).

## Ụgwọọlụ Dị Ukwu

Otù ụbọchị mgbe Jisọs rigoro n'ugwu, Ọ kpọrọ ndị náesoụzọ Ya we sị: "Ngọzi nādịrị ndị esogbuworo n'ihi ezi omume: n'ihi na ala-eze elu-igwe bụ nke ndị ahụ. Ngọzi nādiri unu, mgbe ọ bụla ha nāta unu uta, nēsogbu kwa unu, nēkwu kwa ajọ ihe dị iche iche megide unu n'okwu-ugha, n'ihim. N̄ụrịanụ ọñụ, ka obi tọ kwa unu ụtọ nke uku: n'ihi na ugwọ-ọlụ unu di uku n'elu-igwe: n'ihi na otú a ka ha sogbuworo ndị-amụma ndi buru ụzọ" (Matiu 5:10-12). N'oge ọzọ Ọ sịrị, "Ọ buru na ha sogburum, ha gēsogbu kwa unu" (Jọn 15:20).

Jisọs matara na ọnwụnwa na nsogbu naechere Ya, ma obi tọrọ Ya ụtọ ime uche Chineke.

## Ọnwụnwa Niile Nke Jisọs

Mgbe Jisọs gwọrọ ndịkom abụọ ahụ nwere mmụọ ọjọọ n'obodo Gergesenes, ndi obodo ahụ rịọrọ Jisọs ka Ọ pụa n'obodo ha.

Mgbe Ọ chụpụrụ ndị mmụọ ọjọọ ahụ wee gwọ onye ọrịa ahụ nwere ihe mgbu, ndị Farisii wee si na Ya na ekwensu naalụkọtaọlụ -- na ọ bụ kwa site n'ike Beelzebub, bụ́ nwa ekwensu ka O ji achụpụ mmụọ ọjọọ.

Mgbe agụụ gụrụ ndịnáeso Jisọs ha wee ghọrọ ọka n'ụbọchị izuike, na mgbe Jisọs gwọrọ nwoke ahụ akụkụ arụ ya kpọnwụrụakpọnwụ n'ụbọchị izuike, ndị Farisii tamurùntamù na Jisọs adịghị edebe iwu Chineke banyere Ụbọchịizuike.

Ha gbalịsịrịike ime ka Ọ maa n'onyà site n'okwu ọnụ Ya, ka ha wee chọta ihe ha gaasị na O kwuru. Ndị Farisii, ndị isi nchụàjà, na ndị okenye na ekwoekworo megide Jisọs n'ihi na O mere ọtụtụ ihe ịrịbaàmà, ọtụtụ igwèmmadụ ndị ọ nadịghị ihe eji ha kpọrọ wee náeso Ya. N'ikpeazụ, ọ bụ kwa ha bụ ndị mere ka akpọgide Ya n'obe.

Jisọs nwere ntachiobi n'ihe niile ndịa, ọbụná ọnwụ nke obe, náagbanyeghị ihe ihere niile dị na ya, n'ihi na Ọ naeleanya ọñụ ahụ edebere n'iru Ya bụ́ nke Ọ gaenwe mgbe Ọ lụsịrịọlụ ahụ nke Chineke zitere Ya ka Ọ lụọ.

### Ihenlereanya Nke Dị Ná Ndụ Pọl

Pọl n'onweya, matakwara n'ọnwụnwa na mkpagbu na echéré Ya, n'ihi na Onyenweanyị ekwuwo sị "Mu onwem gēgosi ya ka ha ra bụ ahụhụ nile ọ nāghagh ịhụ n'ihi aham." Pọl ñụrịrịọñụ n'ọnọdụ ọ bụla nke ndụ ya, n'ihi na ọ matara na mgbe ya nọ ná nsogbu, na ọ naemetụta Jisọs n'obi. Jisọs matakwara otú mmetụta nke Pọl nwere nime mkpagbu ya si dị, n'ihi na Ya onweya ataworị ahụhụ. N'ikwu ihe banyere ndịnáesoụzọ Jisọs n'oge Aisaia, Baịbụl gwara anyị sị, "Na mkpagbu nile ha Ya ka anakpagbu, ọ bụ kwa mọ-ozi nke iru ya zọpụtara ha."

Pọl kwuruokwu banyere "mkpagbu ayi di nfé: O chèghị na ọ bụ ihe dị ike bụ́ ịgabiga ụgbọ okpukpu, ịtụ nkume, ihe otiti, iheizendu nime óké osimiri, ihe izendụ n'etiti ụmụ nna ụgha, n'ịdọgbu onwem n'ọlụ na ịhụjuanya, n'ekpere na n'obubuọnụ, n'oyi na n'ịgbáọtọ, ọbụná ijé mkpọrọ, ka ewe kwusa Jisọs nye ụmụmmadụ; n'ihi na Chineke etewo ya mmanụ ikwusa, ọ bụ kwa ihe ọñụ nye Pọl ime ihe Chineke chọrọ ka o mee.

### Ime Ihe Náatọ Chineke Ụtọ

Mgbe ọnwụnwa bịara anyị naecheta Jisọs. Ọ chọghị ihe ụtọ nke ụwa nke a. Ọ bụ ihe gaatọ Nna Ya nke bi n'eluigwe ụtọ ka Ọ chọrọrị.

Ụfọdụ ụmụ ntakịrị ndịkom na ndịnyom naachọ ime ihe gaatọ ha na ndị enyi ha nke ụwa ụtọ. Mgbe ụfọdụ ụmụ agbọghọ naakpacha agịrịisi ha, náeteji kwa iru ha n'ihi na ndị enyi ha naeme kwa otú ahụ, ụmụ okorobịa, ọtụtụ mgbe, naarapụ agịrịisi ha ka o too ogologo maọbụ laa ya n'ụzọ nke náekwesịghị n'ihi na nke ahụ bụ ihe naewu mgbe ahụ.

Ọ bụrụ na eledara anyị anya wee chịa anyị ọchị n'ihi na anyị adịghị eme ihe ndị ụwa naeme, cheta kwa na anwara Jisọs "n'otu ụzọ ahụ ananwa ayi, ma O mehiegh" (Ndi Hibru 4:15). Ya Onweya amatawo ahụhụ nwaokorobịa maọbụ nwaagbọghọ naahụ́ mgbe ọnwụnwa bịara, Ọ naanọdụ kwa n'aka nri Nna n'Eluigwe ọbụná ugbu a, ná arịọ Chineke ka O nyere gị aka ka ị dị ike nwe kwe ume n'ihi aha Ya.

### N'ihi Ọdịmma Nke Anyị

Ọ̀ naeju gị anya mgbe ụfọdụ ihe mere iji náarịaọrịa na ihe mere ọnwụnwa siriike naabịara gị? Ọ bụrụ na ịbụ nwa Chineke, ọ bụ n'ihi na Chineke hụrụ gị n'anya wee chọọ kwa ka ị dị nsọ dịka Ya Onweya dị nsọ. Mkpagbu naeme ka anyị nwe ntachịobi. Ha na akụzịrị anyị inwe ọmiko n'ebe ndịọzọ nwere mkpagbu nọ. Ha naeme kwa ka okwukwe anyị sieike. Jisọs naenyere anyị aka mgbe anyị naagabiga otù ọnwụnwa, nke ahụ naeme ka anyị nwee okwukwe na Ọ gaenyere anyị aka n'ọnwụnwa nke gaabịa n'iru. Ọnwụnwa naenyere nwa nke Chineke aka icheta ahụhụ niile nke Jisọs hụụrụ ya.

Obi naatọ anyị ụtọ na Chineke hụrụ anyị n'anya nke ukwu idozi anyị mgbe anyị naejehie. Anyị agaghị abụ ezi ụmụntakịrị ma ọ bụrụ na ndị nnenanna anyị ha eduzighị anyị. Anyi agaghị kwa abụ ezi ụmụ Chineke ma ọ bụrụ na Chineke eduzighị anyị.

### Idetụ Ihe Ire

Pọl matara na ọ bụrụ na ya adị ndụ ọbụná rue otù narị arọ, na nke a bụ ihe ntà n'iji ya tụnyere ọtụtụ arọ n'enweghị ọgwụgwụ -- oge n'enweghị ọgwụgwụ nke ya na Enyi ya na Onyenzọpụta ya gaanọ. Chineke emewo ka ọ hụ n'ebe ọ dị ntà ihe Eluigwe yiri mgbe emere ka ọ hụ Paradaisi. Chineke naeme kwa ka anyi mata ihe Eluigwe yiri site naezi Mmụọ Ya nke n'ebi nime obi anyi.

Mgbe ụfọdụ Jisọs naanọ anyi nso nke ukwu bụrụ kwa ihe óké ọnụahịa nye anyị nke naeme ka anyị chọọ isoro Ya laa n'Eluigwe n'otù ntabianya ahụ. Ọ bụ kwa otú ahụ ka ọ dịịrị Pọl mgbe ọ naele anya n'oge ahụ ọ gaarapụ "Ulo ya nke ụwa a," wee ga biri "n'ulo-ya nke di n'eluigwe."

**Ule Nke Ikpeazụ**

Pọl gararị achọ ịrapụ ndụ nke ụwa a wee so Onyenweanyi laa n'igwe, ma ọ matara na, ma ya dị ndụ rue mgbe Jisọs gaabia, maọbụ na ya nwụrụ, na ihe dị ya mkpà bụ ifè Onyenweanyị n'ikwesintụkwasịobi ụbọchị niile. Otù ụbọchị ọ gaeguzo n'iru oche ikpe Kraist wee zaa ajụjụ banyere onweya.

Onye ọ bụla, maọbụ nwa Chineke maọbụ onyemmehie, gaaza ajụjụ onweya n'iru Chineke banyere ihe o meworo n'ụwa nke a.

Ụbọchị niile anyị nwere ohere imere mmadụ eziihe -- ileta enyi náarịaọrịa, inwe ọmịko n'ebe ndị agbataobi anyị dị, inwe nrubeisi n'ebe nnenanna anyị nọ n'eji obi ụtọ dịka agaasị na ọ bụ Jisọs n'Onweya naasị anyị mee ya. Jisọs sịrị na anyị gaanata ụgwọọlụ n'ihi otù iko mmiri nke anyi nyere n'aha Ya. Ma anyị gaeme ihe niile ndịa dịka agaasị na ọ bụ Jisọs ka anyi naemere ya ma ọbụrụ na anyi chọrọ ịnata ụgwọọlụ n'ihi ọlụ ndị ahụ anyị lụrụ. Ihe ọ bụla nke anyị naeme ka mmadụ wee hụ́ anyị ma ọ bụ jaa anyị enweghị ụgwọọlụ n'Eluigwe.

Ka anyị niile mụọ ihe dịka Pọl mụrụ banyere ule ikpeazụ nke anyị niile náaghaghị ịbịaru otù ụbọchị. Dịka anyị naamụ ihe n'oge ule anyị n'ụlọ akwụkwọ, otùaka ahụ ka anyị gaamụ akwụkwọ nke Chineke, nke bụ Baịbụl ka anyị wee mụta uche Ya; ná ekpekwaekpere ka O wee nyere anyị aka ime ihe niile nke anyi mụtara nke bụ uche Ya kwa ụbọchị.

Ka anyị were ọñụ n'ihi Jisọs naebu "mkpagbu ayi di nfé" nke náabịa n'ụzọ anyị, náeme kwa ihe anyị chere n'obi anyị na ọ bụ ihe Chineke chọrọ ka anyị mee. "N'ihi na aghagh ime ka anyị nile pụta ìhè n'iru oche ikpé Kraist; ka ayi nile n'otù n'otù we nāghachi ihe esitere n'aru me, dịka ihe onye ọ bụla mere si dị, ma ọ bụ ezi ihe maọbụ ihe nādigh nma."

## AJỤJỤ DỊ ICHEICHE

1 Gịnị bụ "mkpagbu di nfe" nke Pọl n'ekwu ihe banyere ya?

2 Ọ bụrụ na anyị ebue mkpagbu anyị n'obiụtọ dịka anyị naeburu ya Jisọs, gịnị gaabụ ụgwọọlụ anyị?

3 Gịnị bụ ụlọ nke ụwa nke Pọl naekwuokwu banyere ya?

4 Ọ bụ gịnị ka Pọl chọrọ ka eyikwasị ya mgbe agaemebi ụlọ ya nke ụwa?

5 Gịnị bụ ihe Chineke naenye anyị nke naewpụ egwu-onwụ?

6 Gịnị mere anyị naalụọlụ ma ọbụ náamụ kwa ihe ka Kraist wee nabata anyị?

7 Ọ̀ bụ n'iru gịnị ka anyị niile náaghaghị iguzo n'otù ụbọchị?

8 Gịnị ka anyị gaanata mgbe anyị gaapụta ìhè n'iru ocheikpe nke Kraist?